# JISỌS NAEGOSI ONYE FARISII AHỤ ENWEGHỊ OBIEKELE YA
## Luk 7: 36-50
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 43 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Okwukwe gi azọputawo gi la n'udo" (Luk 7: 50).**

**Akpọrọ Jisọs N'oriri**

Otù onye nime Ndị Farisii kpọrọ Jisọs ka Ọ bịa rie nrianyasị n'ụlọ ya. Dịka ihe anyị mụrụ si dị banyere omume ndị Farisii, ọ naeju anyị anya ịghọta ụdị mmasị o nwere n'ebe Onyenweanyị nọ. Ọ̀ chọrọ ịchọpụta ihe ọ gaeji taá Ya ụtà? Ọ dị ka agaasị na nke ahụ bụ̀ nnọọ ihe ndị Farisii naeme, ọ bụ ezie na o nwere ụfọdụ ha ndị hụrụ Jisọs n'anya n'ezie were kwa obi ha niile jụọ ajụjụ ịmata banyere òzízí Ya. Nikodimọs bụ̀ otù onye nime ha. Ọ bịakutere Jisọs wee jụọ otú esi enwe nzọpụta; anyị kweere na o jiri obi nke eziokwu feè Chineke òfùfè, n'ihi na o nyere aka n'òlìlì Jisọs mgbe akpọgidesịrị Ya n'obe.

**Ịhụn'anya Jisọs Nye Ndị Mmehie**

Ma asịkwarịị na Saimọn, onye Farisii ahụ ahụghị Jisọs n'anya nke ukwuu, Ọ naadị njikere mgbe ọ bụla inyere ụmụmmadụ aka ọbụná karịa ka ha nwereike ichè n'obi ha; ọ bụrụ kwa na Ọ hụrụ ohere inyere mmadụ ọ bụla aka, Ọ naghị ala azụ̀ náagbanyeghị nleli ahụ nke Ọ gaanata. O jere isoro ndịmmehie rie nri ka O wee gwa ha okwu banyere Alaeze Chineke. Ndị Farisii kwutọrọ Ya maka nke ahụ, ebe ha chere na O mere Onweya ka Ọ ghara ịdịọcha site n'isoro ndị na adịghị edebe Iwu Ndị Ju banyere iheoriri rikọ ihe. Ha kpọrọ Jisọs "onye-ori nke-uku, na onye-oké-ọñụ-manya, eyi ndi ọna-utù na ndi nmehie." Anyị naekele Chineke nke ukwu na Jisọs bụ enyi ndịmmehie, ọ bụrụ na ọ bụghị otú a agaghị azọpụtaworị anyị.

Eleghịanya, ọ gaabụrị na Jisọs matara na nwanyị onye mmehie ahụ gaabịa, mgbe O kwere ịzáọkpụkpọòkù nke oriri ahụ onye Farisii kpọrọ Ya. Anyị gụrụ n'ọtụtụ ebe mgbe Jisọs siri n'ụzọ ebe O bu n'obi ijé jeè ebe ọzọ n'ihi na Ọ matara na Ọ gaezute onye agụụ nke ịmara eziokwu naagụ: O nwere nwanyị onye Sameria nke nọ n'ebe olùlùmmiri dị, na onye ahụ nke nwere mmụọ ọjọọ nke nọ n'ebe anaeli ozù; ọ dị kwa oge emere ka Filip site ná ntutemmụọ nke náaga n'iru na Sameria pụọ jee ka o zute onozi ahụ n'ọzara. Jisọs na ahụ́ mgbe niile obi ahụ nke ọ naagụsi agụụ ike ịmata eziokwu ahụ, Ọ gaeme kwa ihe ọ bụla nke O nwere ike ime iji nyere otù mmadụ aka iketa ndụ ebighịebi.

Mgbe nwanyị ahụ bịara ịhụ́ Jisọs, ọ bịara ná nchègharị. Ọ bịara n'anya mmiri n'ihi na mmehie nke o mererị na mgbe garaaga wutere ya nke ukwuu. "Obi tiwara etiwa na nke egwepiara egwepia, Chineke, I digh-eleda ya anya" (Abù Ọma 51:17).

Jisọs hụrụ ya n'anya, dịka Ọ hụkwara onyemmehie ọ bụla nke gaabịakute Ya ná nchègharị n'anya. O gbochighị ya mgbe o jiri anya mmiri ya náasa ụkwụ Ya ma were kwa agịrịisi ya náehichapụ ha. Ndị Farisii bụ ndị náelezi nnọọ anya nkeọma ịhụ́ na ndịmmehie emetụghị ha aka, ọ bụ kwa onye Farisii nke a sịrị na ọ bụrụ na Jisọs bụ Onye nke Chineke na Ọ gaamataworị na ọ bụ onyemmehie na Ọ gaghị ekweworị ka o metụ Ya aka. Ma Jisọs sịrị na Ọ bịara ịkpọ ndị mmehie ka ha chègharịa, ọ bụghị ndị eziomume.

**Mmanụ Nke Ọñụ**

Nwanyị ahụ wetara ite alabaster nke mmanụ otite dị nime ya, ka o wee tee ụkwụ Jisọs. Mgbe o meghere ite ahụ, ọ wụpụtara ihe niile dị nime ya. Ọ bụ omen'ala ha n'oge ahụ iwere manụ maọbụ iheotite maka iji tee n'isi na n'arụ, nke ka nke n'oge ememe maọbụ n'oge ọñụ. Ya mere ọ naabịa igosịọñụ na obiụtọ, ndị ahụ náarapụ ite kwa ya n'oge iriuju dịka anyị gụrụ nime 2 Samuel 14:2. Iheotite ndịa bụ mmanụ olive nke agwakọtara ihe nwere ìsìsịọma dị icheiche; mgbe ụfọdụ ndịọgaranya naete kwa ndị ahụ dị ókéọnụahịa. Nke a bụ kwa nnọọ oge ịñụrịọñụ nye nwanyị a n'ihi na agbagharawo ya mmehie ya niile.

Mgbe onye Farisii ahụ naekwutọ ihe nwanyị ahụ naeme, Jisọs gwara ya na ọ bụghị ezi onyenweụlọ náele ọbịa nkeọma. Ọ naabụ ihe eji egosi na obi dị onye nweụlọ nke onyeọbịa bịara mma n'oge ahụ bụ́ inye onye anaele ọbịa mmiri na ákwà eji ehicha arụ ka o wee saa ụkwụ ya. Ha naéyí akpụkpọụkwụ sandal nke ghere oghe uzùzù jupụtakwara n'ụzọ ha niile, arụ naadị kwa ha mma ọ bụru na ha asaa ụkwụ ha mmiri. Ma onye Farisii ahụ enyebeghị Jisọs mmiri ọ bụla iji saa ụkwụ Ya. O sutubeghị kwa Jisọs ọnụ, nke bụ ụzọ ha si ekele mmadụ ekele. Nwanyị a emezuwo ihe ndịa, o sawo ụkwụ Ya, sutu ha ọnụ, tee kwa ha mmanụ, n'ihi na ọ gụrụ onweya n'onye náerughị eru ite Ya mmanụ n'isi.

**Laa N'Udo**

Jisọs hụrụ nchègharị nime obi nwanyị ahụ wee nye ya ihe karịrị ihe ọ pụrụ inweta n'ụwa: Ọ gbaghara ya mmehie ya. Ụdị ọñụ dị añaa ka ọ gaenweworị mgbe agbaghara ya mmehie niile, o wee dịọcha náenwuenwu ọzọ! Jisọs gwakwara ya ka ọ laa n'udo. Nsogbu niile na ezughi ike niile nke obi ya gbapụrụ mgbe Jisọs gwara ya okwu

mgbaghara. Lee ọtụtụ ihe o ritere n'urù site n'ịbịakute Jisọs ná nchèghari? Ọ dịghị ngọzi onye Farisii ahụ nwetara site n'otú o siri mesoo Jisọs.

Mgbe mmadụ jụrụ Jisọs ajụjụ, ọtụtụ mgbe Ọ gaghi azà ya n'otù mgbe ahụ kama Ọ gaajụghachi onye ahụ ajụjụ. Mgbe onye Farisii ahụ kwuru, ọbụná nye onweya, na Jisọs enweghiike ịbụ onye amụma ma asị na Ọ bụ onye amụma Ọ gaamataworị nwanyị nke gbusara ikpere n'ụkwụ Ya, Onyenweanyi etoghị Onweya kama Ọ kọrọ ntakịrị akụkọ nke kọwara enweghi ịhụn'anya nke dị n'obi Saimon. Saimon hụtara na onye agbaghara ihe ukwu gaahụkari kwa n'anya ma anyị amataghị ma o jikwara ilu a tụnyere onweya. Ọ rịọghị Jisọs ka Ọ gbagbara ya mmehie ya -- n'ezie, eleghịanya o chèghi na ya onweya bụ onye mmehie.

**Enyere Ogbenye Nsọpụrụ**

Jisọs naanabata ihe ọ bụla nke emeere Ya dịka ihe ukwu. Ọ bụrụ na mmadụ enweghị ihe dị ukwu nke ọ gaenye? Jisọs Ọ̀ gaahụ́ onye ahụ n'anya nke ntà? Anyị gụrụ banyere otù nwanyị nke di ya nwụrụ onye bịara n'Ụlọukwu Chineke itinye ego n'ebe anaetinye ego. O nwere ndịọgaranya nọ n'ebe ahụ ndị buru ya ụzọ jee tinye ego dị ukwuu, ha tinyere n'ihi na ha nwebigara ókè. Ma nwanyị ahụ di ya nwụrụ nwere náánị afụ̀ ntà abụọ, ma o tinyekwara ha niile. Onyenweanyị kwuru okwu banyere ya nime Akwụkwọnsọ dịka onye agọziri agọzi. Jisọs anaghị agwa anyị ka anyị nye ihe anyị náagaghị enweike inye, ma lee kwa ka O si náakwụghachị anyị ụgwọ mgbe anyị nyere Ya ndụ anyị niile!

**Inye Jisọs Ihe Niile**

Ịmma bụrị nwantakịrị edutara n'ụlọ akwụkwọ nke ndịụkọ̀ site n'ụlọ ntà ebe anaeté egwù. Arụ esighị ya ike, ọ nọ kwa n'ọnụọnwụ. Ndị mụrụ ya bụ ndị ogbenye nke ukwuu. Mgbe arapụrụ náánị ya na nnenne ya, ọ sị, "Nne-nnem ị̀ ga-ewetaram akpà ntà m'ji etinye ego?" Ewetaara ya akpà ntakịrị ahụ ọ ji etinye ego, o wee gụpụta iri kọbọ anọ na asatọ wee sị "Nne-nne nka bụ ego nke m'dokọtara maka Jisọs, inye ya n'ụlọ akwụkwọ nke ndi-ụkọ̀. Ezi Nnennem hụ́ na Jisọs natara ha niile!" Nwatakịrị nwaagbọghọ ahụ soro ndị nyere ihe niile wee nata ụgwọọlụ mgbe ọ lakuuru Jisọs. Ọ hụrụ Ya n'anya nke ukwuu nke mere na ọ chọrọ ka O were ihe niile nke o nwere ike inye.

Jisọs naachọ ụdị ịhụn'anya ahụ nime obi nke ụmụ Ya niile ndị náagaghị ejigidesi ihe nke ụwa nke a aka ike. Ezi onye nke Kraist naakpadoro onweya àkụ̀ n'Eluigwe, ebe ọ náagaghị agabiga agabiga. "Ndi Isreal wee ṅụrịa ọṅụ, n'ihi na ha were afọ ofufo nye onwe-ha, n'ihi na n'obi zuru òkè ka ha were afọ-ofufo nye JEHOVA onwe-ha" (I Ihe Emere 29:9).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ndị Farisii hà hụrụ Jisọs n'anya? Ò̀lee ụzọ ha naesi emeso Ya?
2. Jisọs Ọ hụrụ nwanyị onyemmehie ahụ n'anya? Ọ hụrụ ndị mmehie niile n'anya? Ò̀lee otú anyị si mata?
3. Gịnị bụ̀ ilu ahụ nke Jisọs gwara Saimon?
4. Ọ bụ̀ ihe ra aṅaa ka Jisọs chọrọ ka anyị nye Ya?